Ebee Ka Ndị Nwụrụ Anwụ Gara? (Nkebi nke 2)

O si n'isi nke 6 n'akwụkwọ *Gịnị n'Ezie Ka Bible Na-akụzi?* Ọ dịkwa na jw.org/ig.

IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mata ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.

CHINEKE Ọ CHỌRỌ KA NDỊ MMADỤ NA-ANWỤ ANWỤ?

1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị ee?

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị mba?

Olee ihe **gịnwa** kweere?

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

Chineke ekeghị ụmụ mmadụ ka ha na-anwụ anwụ.

(Gụọ isi nke 6 n'akwụkwọ *Bible Na-akụzi,* paragraf nke 9-14.)

Gụọ Jenesis 2:16, 17.

Olee ihe amaokwu ndị a kwuru ga-eme ka Adam nwụọ?

Ọ bụrụ na Adam rubeere Chineke isi, ọ gaara adị ndụ taa?

Otú ahụ ezigbo dọkịta na-agwa ndị ọ na-agwọ ọrịa ihe ndị nwere ike igbu ha bụ otú Chineke gwara Adam na Iv ihe ọ ga-abụ ha mee, ha anwụọ

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

Onye kere anyị chọrọ ka ndị na-efe ya dịrị ndụ n'ihi na ọ hụrụ ha n'anya.

(Gụọ isi nke 6 n'akwụkwọ *Bible Na-akụzi,* paragraf nke 15-20.)

Gụọ 1 Jọn 4:8.

Olee àgwà bụ isi e ji mara Jehova?

Gụọ Ọrụ Ndịozi 24:15; Mkpughe 4:11.

Olee ihe amaokwu ndị a na-agwa anyị banyere Jehova?

Oleezi otú i si ele Jehova Chineke anya ugbu a ị matara ihe mere ndị mmadụ ji anwụ anwụ?

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Chineke hapụrụ anyị n'ụwa ka ọ nwalee anyị tupu anyị agaa eluigwe.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọtụtụ ndị nwere ike ikwere ihe a i kwuru. Ma ekwetaghị m n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Ma onye ukwu ma onye nta na-anwụ anwụ. Ọ bụ otú Chineke si kee anyị.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ bụ eziokwu na onye ukwu na onye nta na-anwụ anwụ ugbu a, ma ekwetaghị m na Chineke kere anyị ka anyị na-anwụ anwụ n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania